IP INDEXING ISSN: 119-0133

# 11

## ONODỤ AKUKO IFO N'OB0DO ENUGWU-UKWU

NKE

**AKPAMGBO E.U.**

DEPARTMENT OF IGBO LANGUAGE

ANAMBRA STATE UNIVERSITY

IGBARIAM CAMPUS

**UMI EDEMEDE**

*Nedemede a, odee lebara anya n'onodu akuko ifo non'obodo Enugwu-Ukwu siten'ileba anya oihe bu akuko ifo, njirimara akuko ifo na uru akuko na-abara ndi Enugwu-Ukwu, udi akuko ifo enwere nakwa etu akuko ifo si di n'oge ugbua. N'ikpeazu, o ruturu aka n'ihe a ga-eme iji kwalite akuko ifo n ala Igbo okachasi n'obodo Enugwu-Ukwu.*

### MMALITE

Ndi lgbo dika Nkwor (1984) kOwara bu agburu ndi ocha kowara dika "agburu e nweghi agumagu" mana agumagu bu nkea choputara di n'ala igbo.

N’obodo Enugwu-Ukwu nke dị n'okpuru ochichi Njikoka nwere obodo ndị a dika obodo gbara ha okiikiri; Nawfia, Nimo, Nise, Abagana nwere agumagu e ji mara ha nke otu n'ime udi agumagu ha na-eme ijl gosi ihunanya ha n'ebe mmadu ibe ha no, nakwa otu o si echu ha ura ichekwa omenala ha, nakwa ikuziri ya umuaka na-eto eto bu akuko ha na-ako nke ha na-akokari oge ha mechara ihe ha nwere ime n'ubochi, a na-akpo akuko a akuko ifo.

### Akuko ifo

Nke a dika Okebalama (2003) kowara bụ akuko a na-akokari n'oge abali mngbe e nweghi ihe a na-eme n'ala Igbo okenye maobu nwata nwere ike iko akuko ifo. Akuko ifo ntoala ya na-abukari ala mmadu nke na-egosi ka ndi mnmadụ si ebi n'uwa. Umu anumanụ bu enyo e ji ahụta ndi Igbo. Dika e si nwee mbe dika onye aghugho, nwekwa ebule dika onye ako ma nwekwa aturu dika onyg nzuzu, otu ahu ka e si enwe ndi ma ihe nke oma, ndị nzuzu na ndị dị aghugho na ndụ ndị Igbo. Ihe obula j huru n'ala umu anumanu dikwa n'ala mmadu.

Alkuko ifo dika Ofomata (2002) kwuru bụ otu nime agumagu odinaala. N'otu aka ahụ Ofomata (2012) kwukwara na akuko ifo bu akuko odinala a haziri nke oma.

**Njirimara akuko ifo**

Akuko ifo bukwa ihe ndi lgbo na-ejt ihe dịiche iche dika anumanu were na-ako. O bughi naan nu, a na-ejikwa ndi mmuo, mmadu, osisi na-akpa ike na ihe ndi ahurų n'uwa were na-ako Akuko ifo enweghi onye o na-aho ma nwoke ma nwaanyi ma agadi ma nwatakr, onye d nvere ike iko akuko ifo. Mana akuko ifo obula mmadu ga-ako ga-aburiri nke onye ahu maara malka ya nke oma tupu o kowaa, otu ahu ka o di n'Enugwu-Ukwu. Akuko ifo bukwa ihe bụ nwa tote o tokwuru. Obuakuko na-esi n'aka fere n'aka. O bu akuko dị okputorokpu.

Ihe ozo a na-eji ama akuko ifo bu na o nwere ihe O na-akowa maobu ihe mmuta r na-adi n'ime yao bughị okwu njakiri ndi ntorobia maobu okwu ufodų ndi isi adighị mma na-ekwu nke ihe mmuta anaghj adi n'ime ya. Akuko ifo obula enweghi ihe o na-akuzi abughi akuko ifo. Ozo bu n'akuko ifo obula na-enwe usoro a na-esi ebido ya dika a ga-ahuta n'akuko ifo a na-ako n'obodo Enugwu-Ukwu.

Ozokwa bụ na ifo na-enwe onye na-ako ya nakwa onye na-ege ya. Akuko ifo n1-emetukari al ike ime eme. Mbe nwere ike luta Adaeze ebe nwata nwaanyi nwere ike luta di onye mmuo Asusų a na-ewebata n'akuko bu nke Basden (1966:273) kowara ya dika ihe di mkpa imu sonye na mkparitauka mmadų na ibe ya. Asusu bukwa otu ihe eji mara akuko ifo.

**Uru akuko ifo bara**

a. Ana-eji ya akuziri umuaka ihe, mee ka ha mata ihe obodo na-aso na ihe a turu anyan'aka ha dika umuaka

b. Ana-eji ya mee ka ndi mmadu mata omenala na etuesi eme ya n'ala Igbo

c. Ana-eji ya mee ka umuaka na ndi mmadų mata ihe mere ihe ji di etu o di

d. A na-ejikwa ya amata etu ndi mmadu maobu agburu si ebi ndu na ihe ha kwenyere n'ime ya

e. A na-ejikwa ya amuta etu ndi si asu asusu makana a na-ewebata olumba oge a na-ako akuko ifo. Nobodo Enugwu-Ukwu ha na-eji asusu nke ha ako akuko ifo.

f. Ana-ejikwa ya enwe anuri ma mee ka onye na-ege akuko ifo hapu i na-eche oke echiche

g. Ona-enyere umuaka aka imuta akuko ala ha.

Okafor (2009) kwuru na a na-eji ya eme ka mmadų nwee akonuche. Nwadike (2009: 39) kowara na akuko ifo ndi lgbo nwere usoro e si ebido ma na-akwusikwa ya, nke a na-agbano site n'otu ebe ruo ebe ozo. N'obodo Enugwu-Ukwu akuko ufodu na-ebido dika ifo chakp, o nwere akuko m ga-akoro unu. A tukwara anya na ndi na-ege nti ga-azaghaghi dika otu mbido akuko ifo a siri dị omumaatu; onye na-ebido akuko ifo si nkita yara akpa ndi na ege nt! ga-aza nsi agwun'ohia. Akuko ifo na-enwekwa ntoala, nhazi di n'akuko, alkparamagwa. na-etu e si ako ya.

Ekwealor (2009) kowara na "akuko ifo nwere uzo e si ebido ya. otu e si akowa nakwa out e si emechi ya"

**Mbido akuko na-abukarį otunime ndį a**

Chakpi!! Woo nkita nyara akpa nsi agwu n'ohia

maobu

Ndi be anyi o nwere akuko m ga-akooro unu, kooro anyi, ka obi di anyi mma, anyi ga-ege nti

mara ihe ina-ekwu mao di uto

0zo bu

O ruru otu ubochi, otu ubochi wee ruo

maobu

n'otu obodo

N'ahu akuko ifo, a na-ewebata ihe ndi a na-ahu n'oge ochie atughi anya n'ihe ndį a na-ahu n'oge ka ugboelu, ekwenti, ugboala ga-abata n'ahu akuko ifo. Ihe ndi nwere ike ibata k ifo bu ihe dika ndi mmuo, agu, mbe, umu anuohja ndi ozo. Aha oyibo maobu aha mkoobiria ta-anu n'oge ugbua ekwesighi ibata n'ahu akuko ifo.

Mnechi akuko ifo na-agbodo ukwụ n'akuko ifo a koro iji weputa ihe mmuta di n'ime ya

**Akuko ifo e kere ya uzo ano**

**Aluko Amakeme**: Nke a bu akuko a na-ewebata otutų ndi kpara iken'ime ya nke na o na-esi ike ima onye kpara ike karia ibe ya. omumaatų Adaeze na mamiwota.

**Akuko Mbido**: Nke a bụ akuko na-ako etu ihe si bido maobu diwaa ebe ha di. Omumaatu; Eu oji siri bja n'uwa; ihe mere egbe ji ebu okuko.

**Akuko Nkụzi**: Nke a bu akuko ifo nke mbunuche ya bu ikuziri ndi mmadų ihe. Omumaatu; Akuko Adaeze (Apunanwu) na-ahọ di; akuko Ojadili.

**Akuko aghughọ**: Nke a bu akuko na-ewebata aghughon'ime ya. Akuko a na-ewebatakari mbe nime ya dika etu mbe sijiri otu mkpurụ oka lụo nwaanyj; ihe mere eziji egwu onụn'ala. Nke obula nime uzo ndi a e kere akuko ifo bukwa nke a na-ahuta n'obodo Enugwu-Ukwu n'oge ochie.

**Akuko ifo oge ugbua**

N'oge ochie, ndį okenye na-akpo ikoro umų ha akuko ifo mkpa. Oge ufodų ha na-ekwe nwata mere nke oma nkwa jkoro ya akuko n'oge abalj mana o dighį etu ahų ugbua. Ndį nne na nna na-

eunyekarı| anya n'etu ha ga-esi achuta ego. Nke a mere umuaka anaghi enwe ndị na-elete ha anya nike oma. Umuaka na-ejizi ile ihe onyonyo were anori oge. Oge ufodụ ihe onyonyo ndj a na-abukarị ihe ekwesighi ka umụaka na-ele.

**Ufodụ akụko ifo**

**Umuanumanụ na mbe**

O ruru otu oge Chukwu kporo umuanumanu oriri na be ya, mbe nụrụ maka ya nwere rio Umuanumanụ ka ha nye ya nku o ga-eji soro ha jee oriri ahu, ha nyere ya. Tupu ha agawa mbe si na ha ga-aza aha, o kwuru na aha ya ga-abụ 'Ununiile

Oge ha ruru n'eligwe. Ebuputere ha ihe oriri dị iche iche. Mbe jurụ Chukwu ndị nwe ihe oriri a, si na o bu I unu niile, Mbe tughariri juou umụ anumanu ma ha echetekwara aha ya bụ mbe zara bu Ununiile, ha zaa ya ee, o buru nriniile ahu richaa otu ahu ka o mere oge e butere mmanya.

Mgbe ula ruru anụ niilenyere mbe nku jere narakwa ya anku ha nyere ya. Owee si n'eligwe daa kurichaa, Ejula putara hu ya ebe o dara were onụr mmiri nyachiwe ya. Nke a mere ahụ mbe jiri di na mpekere na mpekere. Nke a bu omumaatụ u akuko aghugho.

**Nkita na Okeokpa**

Akuko ifo dika odee deputara nwere nnukwu uru o na abara ndi igbo okachasi ndi Enugwu-ukwu, nke na o kwesighi ka eleghara ya anya maobu kpo ya ihe ndi iberibe na-me.

O kwesiri ka akuko ifo bụrụ ihe nwafo Igbo okachasi nwafo Enugwu-Ukwu ga na-akwalite site na ina-ako ya mgbe na etu kwesirinu. Akuko ifo a kwesikwara ka e tinye yanonyonyo nakwa igwe, na-ekwu okwu iji mee ka ndi mmadu okachasi umuaka mata maka ya. O kwesr ka e tinye ya nihe a ga na-akụziri umuaka n'ulo akwukwo obughi naanj į na-ako ya n'ulo nakwa ebe ndi ozo makana o ga-enye aka mee ka umuaka mata etu ndi be ha maobu ndi ha nọ na nke ha si ebi ndu, ihe ndi akpa mana nkita na-atụ okeokpa egwu n'ihi ihe ya nisi, nkita oge okeokpa na na-ak pa Choputara ga-ere ya ma ometụ okeokpa aka. Oge okeokpa na na chere bu o di oku n'isi ya n'isi chirj nkita Qchị ma ngwa ya nao bughị oku n bu o ihe n'ihi Os0, ya na-agbara nkjta choputara na-atụ ujo. mechara kaa obi metu ya aka. Oge na nkita aka, ya metụ o ka ya gwara ahu ojuru oyiojidere okeokpa gbuwe bido ubochi.

Akuko dị ihe kama okụ abughi n'isi okeokpa anyaukwu adighi mma. N'akuko ifo nke abuo mmuta

mbu, ke mmụta nwechara a ifo ndi ihe ga I na-ako ga na-ezotu ezo, bughj ihe niile nnukwu uru na-abara ndi Igbo okachasi

Akuko odee dika ifo nwere deputara magbụ kpo ya ihe ndj iberibe na-eme. o na nke Ukwu, anya ya eleghara ka kwesighj ihe ndị a niile etinye ya n'orụ o ga-eme ka anyi nwe ezigbo umụaka mnaara ihe gbasara asusu na omenaala Igbo nke oma.

**EDENSIBIA**

Anene, Ray C. (1988) Mkpuru Onye Kuru Enugwu-Ukwu Raymac Educational Publishers

Anene, Ray C. (1991) Oja Dufuo Dike Enugwu-ukwu, Raymae Educational Publishers

Anene, Ray C. (2000). Oguejiofo Enugwu-Ukwu Raymae Educational Publishers.

Boulton M. (1954) The Anatomy of Prose. London Routledge & Kegan Paul.

Cambridge Advanced Learners Dictionary (2003).

Emenyonu, E. (1978) The Rise of The lgbo Novel lbadan: Oxford University Press.

Nwadike, I.U. (1992) Ntoala Agumagu lfunanya Publishers Nigeria.

Ojinmah, U.R. (1991). Chinua Achebe: New Perspective. Ibadan: Spectrum